# ABỤ EDEREDE DỊKA ENYO E JI AHỤTA OMENAALA NA NKWENYE NDỊ IGBO: ITULE ABỤ ỤFỌDỤ DỊ N'*Ọ NATARA CHI*

**Prof. Ogochukwu Roseline Ifeka**
**Ngalaba Linguistics/Igbo Language**
**Mahadum Chukwuemeka Odumegwu Ojukwu, Igbariam Campus.**
**ogochukwuifeka@gmail.com**

**&**
**Chioma Oluchi Ohanwe**
**Ngalaba Linguistics/Igbo Language**
**Chukwuemeka Odumegwu Ojukwu University, Igbariam Campus.**
**ohanwechioma50@gmail.com**

***Ụmịedemede***
*Abụ edereede Igbo bụ otu n'ime ụzọ kacha mkpa ndị Igbo si ewebata echiche, ụzọ obibi ndụ, ma na-echekwaba omenaala na nkwenye ha. N'agbanyeghị nke a, ọ dị mkpa na e mere nnyocha iji kọwaa n'ụzọ zuru oke, etu abụ edereede si bụrụ enyo e ji ahụta omenaala na nkwenye ndị Igbo. Nke a kpaliri mmụọ ndị nchọcha ileba anya n'akwụwkọ abụ Ọ Natara Chi, nke Ifeka Ọgọchukwu dere, iji gosi ka odeabụ si zipụta omenaala na nkwenye ndị Igbo n'abụ ya. Abụ dị n'akwụkwọ abụ a dị iri atọ na abụọ, mana ebumnoobi ndị nchọcha bụ ileba anya naanị n'abụ anọ ndị a bụ; N'Agbụrụ Nna M Ha, Ije Di, Ofufe na Ori Ekpe, nyochaa ha ma zipụta ihe ndị mebere omenaala na nkwenye ndị Igbo n'abụ ndị ahụ n'otu n'otu. Atụtụ e ji mee nchọcha a bụ Atụtụ Kọlchọral Matịrịalizim, nke bụ usoro echiche e ji enyocha ederede omenaala na nkwenye agbụrụ. A chọpụtara na abụ anọ e jiri mee nchọcha zipụtara omenaala na nkwenye ndị Igbo dị icheiche n'ozuzu oke dị ka; alụmdi, iriekpe, nkuchi nwaanyị, ịgba afa ịkpụ arụ, ọmụgwọ, mkpa nwa dị na ndị ọzọgasi. A tụrụ anya na nchọcha a ga-enyere ọhanaeze aka ịmata na abụ edereede Igbo na-enwe nzipụta omenaala na nkwenye ndị Igbo n'ime ha. Ndị nchọcha wee na-enyekwa ohere ka onye nwere mmasị imere nchọcha a gawa n'ihu mee nke a, ma tinyekwa ihe ndị abataghị n'ime nchọcha a na nke ya.*

***Abstract***
*Igbo poetry is one of the most important ways in which the Igbo people communicate their ideas, way of life and preserve their cyultures and beliefs. Despite this, it is important that research is conducted to fully explain how written poetry is a mirror through which Igbo culture and beliefs are percieved. This inspred the reserchers to look into the poetry book Ọ Natara Chi, written by Ifeka Ogochukwu, to show how the poet conveys Igbo culture and beliefs in his poetry. There are thirty poems in this poetry book, but the researchers' objective is to focus on just these four poems; N'Agbụrụ Nna M Ha, Ije Di, Ofufe and Ori Ekpe, analyze them and identify the elements that make up the Igbo culture and beliefs in each poem. The theory used for this research is Cultural Materialism Theory, which is a conceptual framework used to examine cultural texts and ethnic beliefs. It was found out that the four poems used in the research portrayed the diverse Igbo culture and beliefs in general like; alụmdi, iriekpe, nkuchi nwaanyị, ịgba afa ịkpụ arụ, ọmụgwọ, mkpa nwa dị, etc. It is hoped that this research will help the public to recognize that Igbo wriiten poetry contain expressions of Igbo culture and beliefs. The researchers also provide an opportunity for anyone interested in continuing this research to do so and to incorporate any findings not included in this research into their own.*

## 1.0 Okwu Mmalite

Agụmagụ dịka ihe ọmụmụ bụ ọrụ nka nke e chepụtara echepụta ma jiri asụsụ nka chọọ mma, nke e si na ya egosịpụta ma na-ahụ ndụ. O nwere ike ịdị n'ụdị ekwurunọnụ maọbụ ederede. Agụmagụ Igbo malitere n'oge gboo mgbe ndị Igbo malitere ndụ ha. Ụdị agụmagụ e nwere n'oge ahụ bụ nke ọdịnaala, e deghị ya ede. Ọ bụ naanị ọnụ ka e ji agụpụta ya. Ọ na-esi n'aka ndị nna nna wee fere n'aka ụmụ ha. Ka oge na-aga, mgbe ndị ọcha bịara n'ala Igbo, ha wepụtara igwe e ji ebipụta akwụkwọ, ọ bụ oge ahụ ka ndị odee maliteziri depụtawa agụmagụ n'akwụkwọ. Agụmagụ Igbo nwere nnukwu ngalaba atọ nke gụnyere; Akụkọ, Ejije na Abụ.

Abịa na ngalaba agụmagụ atọ e nwere, abụ so n'otu n'ime ha. E nwekwazịrị nkenụụdị abụ Igbo abụọ; abụ ọdịnaala na abụ ugbua maọbụ abụ ederede, mana ebe mgbakwasị ụkwụ nchọcha a bụ n'abụ ederede Igbo. Abụ ederede Igbo bụ abụ Igbo ndị ahụ e deturu edetu n'akwụkwọ. N'ụdị abụ a, a maara onye dere ya na afọ e bipụtara ya. Abụ ndị a ga-eleba anya n'akwụkwọ abụ *Ọ Natara Chi* bụ ndị a; ***"N'Agbụrụ Nna M Ha"***, "***Ije Di"***, "***Ofufe"*** na "***Ori Ekpe".***

Ịnye otu nkọwa maọbụ abụọ gbasara ihe abụ pụtara dịka Kennedy (1987) siri kwuo hịara nnukwu ahụ n'ụwa anyị nọ n'ime ya. Ihe kpatara na ọ hịara nnukwu ahụ inye nkọwa gbasara abụ dịka Maduakor (1991) siri na-eche bụ na abụ bụ ihe ọmụmụ gbasatara mmetụta nke ndị mmadụ na-enwe n'ime onwe ha nke na-akacha emi emi.

Nwadike (2003) na nkọwa nke ya kọwara na abụ bụ ọrụnka nke e tinyere n'asụsụ dị ogo, hazie n'usoro pụrụ iche, bịa nwee echiche miri emi na mmetụtaahụ na obi. Ihe ọzọ gbara elu na nkọwa a bụ na a na-ede abụ n'ụzọ ọ si emetụta na mmụọ.

Anozie (2005) n'uche nke ya na-ekwu na abụ bụ otu ụdị agụmagụ jupụtara na nka, mmadụ ji akọwa ndụ, ekere na ihe ndị ọzọ a na-ahụ na ihe a na-eme n'ụwa.

Ifeka (2009) na-ahụta abụ dịka ihe odide na ọgụgụ si n'uche pụta, nke e dere n'akwụkwọ maọbụ gụọ n'ụzọ dị mkpirisi maọbụ nke na-akọwa echiche dị omimi, nke e tinyere n'asụsụ enweghị atụ iji gosi ihe mere eme maọbụ nke a na-atụ anya gaeme.

### 1.1 Uru Abụ Bara

Abụ dị oke mkpa ọkachasị na ndu ndị Igbo niihina ọ na-anọchite anya asụsụ ha kacha mma n'ụdị edereede maọbụ n'ụdị egwu ọgụgụ. E nwere ọtụtụ uru abụ bara, ha gụnyere;

a). Odeabụ na-esite n'abụ ya gwa ọhanaeze mgbanwe ọ chọrọ ka ha hụ maọbụ ndiiche dị n'etiti ọchịchọ mmadụ na eziokwu.
b). Abụ na-ejikọta ndị mmadụ ọnụ, agbụrụ na agbụrụ, otu obodo na obodo ọzọ n'amaghị ama. Iji maa atụ; ebe ọbụla mmadụ nụrụ ukwe ala Naijiria, n'agbanyeghị agbụrụ onye ahụ si pụta, onye ọbụla na-akwụrụ ọtọ iji kwanyere ya ugwu. Ọzọkwa, ọ bụrụ ihe dịka a na-agụ egwu ndị Yoruba n'ala Igbo, n'agbanyeghị na ha anaghị anụ asụsụ ha, ma ndị Igbo, ndị Awụsa na ndị Yoruba niile nọ ebe ahụ na-amalite ịgba ya bụ egwu n'amaghị ama. Nke a bụ ikike abụ nwere
ch). Abụ na-eme ka ọgụụ maọbụ ọnụụ nwee ike isite n'aka onye dere abụ ọ gụrụ maọbụ ọ nụrụ mụta ihe site n'akọnuche odeabụ.
d). Mgbe abụ na-akọ ọtụtụ akụkọ gbasara ndị mmadụ na obodo ha, a na-esi otu a chekwaba akụkọala na omenaala ndị mmadụ. A na-esikwa n'ụzọ dị otu a mata omenaala ndị ọzọ na ihe ndị ha na-asọ.
e). A na-eji abụ akatọ ajọ agwa mmadụ kpara n'obodo ma site na ya, dọọ ndị mmadụ aka na ntị gbasara ndụ nke ha, ka ha hie aka n'anya ma gbaara ụdị ajọ ndụ ahụ ọsọ iji gbanahụ ihe ihere, ụta, nkatọ na mmebi aha ezinụụlọ ha.

### 1.2 Atụtụ Nchọcha

Atụtụ nchọcha dabara iji nyochaa abụ ndị a họọrọ bụ **Atụtụ Kọlchọral Matịrịalizim** (Cultural Materialism Theory). Marvin Harris, onye bụ nna atụtụ a wepụtara atụtụ n'afọ **1960**, mana ọ bụ Raymond Williams mere ka atụtụ a na-ewu ewu ma bụrụ nke a maara nke ọma na ngwụcha afọ **1970**. Atụtụ a bụ usoro echiche iji nyochaa ederede omenaala na nkwenye agbụrụ. Ọ na-agba mbọ ijikọta agụmagụ ọbụla site n'oge e dere ya ma wepụtasịa omenaala na nkwenye agbụrụ oge ahụ. Atụtụ a bụ ụzọ e si enyocha akwụkwọ agụmagụ na omenala nke na-achọ ịghọta otú ọha mmadụ na omenaala si emetụta ibe ha. Ụzọ atụtụ a ga-esi nyere nwanchọcha aka ịrụ ọrụ ya bụ ịkọ ma tụchapụta omenala na nkwenye ndị Igbo dị ka ọ dịgasị n'ime abụ ndị a họọrọ e ji eme nchọcha a.

**Itule Abụ "*Ori Ekpe*"**

**Ori Ekpe**
Ọ bụrụ na ọnwụ adịghị
Ebee ka ori ekpe ga-erita?

Ewu na atụrụ ka a hapụụrụ ya
Ewo! Kedụ ihe ori ekpe ga-erita?
Ụlọ na-amụkesị ka kpakpando
Ka a hapụụrụ ori ekpe

Ewo! Ọ bụrụ na ọnwụ adịghị?
Kedụ ka oriekpe ga-esi baa ọgaranya
Ịnyịnya ìgwè ka a hapụụrụ ya
Oriekpe a bụ onye ihu ọma kpọrọ
Ọnwụ mere oriekpe amara

Ewo! Nwanna a gwa m
Ọ bụrụ na ọnwụ adịghị
Nwoke jọrọ njo
Olee agbọghọ ga-ekwete gị di?
Nwunye adịla na-eche oriekpe

Ewo! Ori ekpe kedụ ka ndụ gị
Kaara ịdị?
A haara ori ekpe ụlọ
A haara ori ekpe nwunye
A haara ori ekpe ịnyịnya igwe
A haara ori ekpe ala ubi
Ọ bụrụ na ọnwụ adịghị
Kedụ ihe ori ekpe ga-eme?

Ifeka Ogochukwu
Ọ Natara Chi: 51

**1.3 Omenaala Ndị Igbo Pụtara Ihe n'Abu "*Ori Ekpe*"**

**a). Iri Ekpe/Erimekpe:** Nke a bụ usoro mmadụ si ewere ihe onye nwụrụ anwụ ọ bụrụ nke ya. E nwekwara ike ị sị na ọ bụ otu ndị nọ ndụ si ekere maọbụ ekeri ihe onye nwụrụ anwụ dị ka a hụtara n'abụ a bụ "*Ori Ekpe*", nke dị n'akwụkwọ abụ <u>Ọ Natara Chi</u>. Site n'ahịrịabụ nke mbụ ruo n'ahịrịabụ nke iri na otu.

**Ori Ekpe**
Ọ bụrụ na ọnwụ adịghị
Ebee ka ori ekpe ga-erita?
Ewu na atụrụ ka a hapụụrụ ya
Ewo! Kedụ ihe ori ekpe ga-erita?
Ụlọ na-amụkesị ka kpakpando
Ka a hapụụrụ ori ekpe
Ewo! Ọ bụrụ na ọnwụ adịghị?
Kedụ ka oriekpe ga-esi baa ọgaranya
Ịnyịnya ìgwè ka a hapụụrụ ya
Oriekpe a bụ onye ihu ọma kpọrọ
Ọnwụ mere oriekpe amara :51

Usoro erimekpe dị icheiche n'obodo dị icheiche. E nwere ebe a na-eri ekpe na nna dịka n'akụkụ Owere, Ọlụ, Ọnịcha, Nnewi, Ọka, Alọ, Agụata. Abịa n'obodo ndịa, Afikpo, Ọhafịa, Abịrịba, Arọchukwu na obodo gbara ha gburugburu na-eri ekpe na nne. Ọtụtụ mgbe, ọ bụ diọkpara na ada na-aka erite ihe ekpe karịa ụmụ ndị ọzọ. Ụmụnwaanyị na-enwekarị ihe nne, na ndị ọzọ dịka akwa, ite, ọkwa. Diọkpara nwere ike irite nwunye nna ya maọbụ ohu ya n'ekpe. Ihe ndị e nwere ike irite n'ekpe gụnyere; ala, ukwu osisi na-enye ego (dịka nkwụ, ojị, ube, oroma), ụlọ, anụ ụlọ (dịka, ewu, atụrụ, ehi, ọkụkọ), ohu, nwunye. Mana matakwa na, ọ bụrụ na ọnwụ adịghị, o nweghị ihe dị ka ike ekpe maọbụ ihe ori ekpe ga-erita.

Ọmụmaatụ dị n'abụ "*Ori Ekpe*" nke dị n'akwụkwọ abụ Ọ Natara Chi. Site n'ahịrịabụ nke iri na itoolu ruo n'ahịrịabụ nke iri abụọ na anọ.

**Ori Ekpe**
A haara ori ekpe ụlọ
A haara ori ekpe nwunye
A haara ori ekpe ịnyịnya igwe
A haara ori ekpe ala ubi
Ọ bụrụ na ọnwụ adịghị
Kedụ ihe ori ekpe ga-eme? :51

**b). Nkuchi Nwaanyị:** Nkuchi nwaanyị bụ otu n'ime alụmdi e nwegasịrị n'ala Igbo. Mgbe nwoke na-alụ nwaanyị nwụrụ, nwoke ọbụla n'ezinụụlọ ya nwere ike ikuchi nwunye ya. Ha abụọ ebiri ka di na nwunye, mụtawa ụmụ. A ga-aga be nna nke nwwanyị gwa ụmụnna ya onye na-achọ ikuchi nwa ha. A ga-emekwa omenaala so ya. N'obodo ụfọdụ, e nwere nkuchi agaghị emere omenaala maka nwaanyị ahụ ka nọọrọ di ya nwụrụ anwụ. Nwa maọbụ ụmụ onye kuchiri ya mụnyeere ya ga-abụ n'aha nwoke ahụ lụrụ ya na mbụ.

Nwa nwoke nwere ike ikuchi nwunye nna ya ebe e nwere ụbara nwaanyị. Nwoke enweghị ike ikuchi nne ya, ọ bụ arụ n'ala Igbo. Nwoke nwere ike ikuchi nwunye nwanne ya nwoke mana, ọ gaghị abụ nwunye nwanne ya nke ọ tọrọ na ntọkwu, kama nwunye nke okenye. Nwoke ọbụla n'ụmụnna ha nwere ike ikuchi nwunye nwanne ya. Ọmụmaatụ dị n'abụ "*Ori Ekpe*" nke dị n'akwụkwọ abụ Ọ Natara Chi. Site n'ahịrịabụ nke iri na itoolu ruo n'ahịrịabụ nke iri abụọ na anọ.

**Ori Ekpe**
A haara ori ekpe ụlọ
A haara ori ekpe nwunye
A haara ori ekpe ịnyịnya igwe
A haara ori ekpe ala ubi
Ọ bụrụ na ọnwụ adịghị
Kedụ ihe ori ekpe ga-eme? :51

### 1.4 Nkwenye Ndị Igbo Pụtara Ihe n'Abu "*Ori Ekpe*"

**Itule Abụ "*Ofufe*"**

**Ofufe**
Na ndụ onye Igbo ọbụla
Ha na-ekpere na-efe arụsị be ha
O nwee onye ahụ adịghị mma
Ha agbaa afa ịmata ebe ahụ si
Ma ihe ga-eme ka ọ kwụsị
Ka ahụ wee sie onye ahụ ike

Ha na-efe chi ha
Ka o nye ha nwa
Ka nwunye ha mụọ nwa n'udo
Ndị ọkamgba
Na-ebu ụzọ gaa n'agbara ha
Ka ha merie na mgba
Ha chọọ ịga njem
Ha na-ebu ụzọ gaa n'afa
Iji mata ma ije ọ ga-agazịkwa
Ma nye agbara ekele
Maka otu o siri duo ha

N'oge ọlụ ugbo ọbụla

Ha na-efe ofufe
Site n'emume ụfọdụ
Mgbe ha lụsịrị ọlụ ugbo
Wee wetachaa ihe akụkụ ubi
Ha ekele chi ala
Nke mere ka ihe ha kọrọ
Mee nke ọma

Ha na-efe ofufe
Site n'ihe a na-ahụ anya
Dịka osisi obosi, ogirisi, ọjị, akpụ.
Mmiri, anụ ọhịa, anyanwụ
Ọnwa, kpakpando, ogwugwu na ndị ozoga
N'idemili ha anaghị egbu eke
Eke na-aga ka eze ebe nille
Amaghị ụma gbuo ya, a kwaa ya
A kpachara anya gbuo ya
A kpụọ arụ so ya
Ofufe be ndị dịịrị ha
Nke gị akaghị mma.

Ifeka Ogochukwu
*Ọ Natara Chi*: 45

**1.5 Omenaala Ndị Igbo Pụtara Ihe n'Abụ "*Ofufe*"**

**a). Ife Ofufe Maọbụ Ekpemekpe:** E nwere naanị otu Chi ndị Igbo nwere, aha ya bụ Chi Ukwu Abịama. Ha nwere ọtụtụ obere chi nke ụfọdụ n'ime ha bụ arụsị na agbara dị icheiche. Ma anyị ga-amata na nke a emeghị ka ha chezọọ na ọ bụ Chineke kere ihe niile. Ha na-ahụta obere chi ndị a ka ndị na-agara Chineke ozi. Mgbe ọbụla ha nwere nsogbu dị ka amụtaghị nwa, ha agakwuru arụsị na-agara Chineke ozi, ka ọ gaa ziere ha Chi Ukwu ka ha wee mụta nwa, gaa kọsara ya ihe bụ nsogbu ha na ezinụụlọ ha, rịọ ya ka o nyere ha aka rịọta nwa n'aka Chineke. Ọmụmaatụ dị n'abụ "*Ofufe*" nke dị n'akwụkwọ abụ *Ọ Natara Chi.*Na nkebiabụ nke abụọ, site n'ahịrịabụ nke mbụ ruo n'ahịrịabụ nke atọ.

**Ofufe**
Ha na-efe chi ha
Ka o nye ha nwa
Ka nwunye ha mụọ nwa n'udo:45

A chọpụtara na ndị Igbo na-enye Chineke ofufe site n'aka mmụọ dị icheiche nke ha nwere ike ịhụ anya dị ka, anyanwụ, osisi obosi, anụ ọhịa, ọjị, akpụ, ọnwa, kpakpando, ogwugwu, na ndị ọzọga. Ọmụmaatụ dị n'abụ "*Ofufe*" nke dị n'akwụkwọ abụ *Ọ Natara Chi.* Na nkebiabụ nke anọ, site n'ahịrịabụ nke mbụ ruo n'ahịrịabụ nke ise.

**Ofufe**
Ha na-efe ofufe
Site n'ihe a na-ahụ anya
Dịka osisi ọbọsi, ogirisi, ọjị, akpụ.
Mmiri, ọlua, anụ ọhịa, anyanwụ
Ọnwa, kpakpando, ogwugwu na ndị ozoga : 45

**b). Ịgba Afa:** Ịgba afa bụ ịjụ ase n'aka onye maara ya karịsịa onye dibia, iji chọpụta ihe juru mmadụ anya nke na-eme na ndụ na nke na-enyekwa ya nsogbu n'obi. Ọ dị ọtụtụ ihe nwere ike ibuga mmadụ n'afa dị ka, ume ọmụmụ, ọnwụ ike, akpata a tufuo, ahụ ọnwụnwụ, ụkọ mmiri maọbụ nri na mgbe a na-aga okwu alụmdi na nwunye. Ngwa ndị e ji agba afa gụnyere; nzu, ọjị, ego ayọrọ, ekpiri, ogene, okuko mbe, mmanya nkwụ, enyo, mmiri, ụkpụkpa, ọmụ nkwụ, efere, ọkụ, na ndị ọzọga. Ọmụmaatụ dị n'abụ

"*Ofufe*", nke dị n'akwụkwọ abụ *Ọ Natara Chi.* Na nkebiabụ nke mbụ, site n'ahịrịabụ nke mbụ ruo n'ahịrịabụ nke isii.

**Ofufe**
Na ndụ onye Igbo ọbụla
Ha na-ekpere na-efe arụsị be ha
O nwee onye ahụ adịghị mma
Ha agbaa afa ịmata ebe ahụ si
Ma ihe ga-eme ka ọ kwụsị
Ka ahụ wee sie onye ahụ ike :45

**ch). Ịkpụ Arụ:** Ịkpu arụ bụ ihe dị nnukwu mkpa mgbe ọbụla e mere arụ, ka e wee gbanahụ ahụhu maọbụ ọdachi nwere ike ịdakwasị onye mere arụ maọbụ ezinụụlọ o si pụta. Ụfọdụ ihe ndị e ji akpụ arụ bụ; nne atụrụ, ọjị Igbo, akwa ọkụkọ na ihe ndị ọzọga. Dibia ga-agwa onye mere arụ ihe ndị ọ ga-eweta iji wee kpụọ arụ site n'ụdị arụ ọ kpara.

Ọtụtụ mgbe a na-akpụ nnukwu arụ, dibia ga-akpụ ya ga-agọ ọfọ iji hichapụ arụ e mere n'ebe ahụ. E mesịa, ọ kpụrụ anụ e ji wee kpụ arụ na-apịa na mbara ezi ahụ niile. Mgbe ụfọdụ, o were anụ ahụ tichasịa n'ahụ onye ahụ mere arụ iji wụchaa ya. A ga-ewere anụ ahụ tufuo n'ajọ ọhịa, ebe ụfọdụ n'ime ha ka a na-eli n'ala. Ọmụmaatụ dị n'abụ "*Ofufe*", nke dị n'akwụkwọ abụ *Ọ Natara Chi.* Na nkebiabụ nke anọ, site n'ahịrịabụ nke isii ruo n'ahịrịabụ nke iri

**Ofufe**
N'idemili ha anaghị egbu eke
Eke na-aga ka eze ebe nille
Amaghị ụma gbuo ya, a kwaa ya
A kpachara anya gbuo ya
A kpụọ arụ so ya :45

### 1.5 Nkwenye Ndị Igbo Pụtara Ihe n'Abụ "*Ofufe*"

**a). Anụ Nsọ:** Obodo dị icheiche n'ala Igbo nwere anụ ha na-asọ nsọ. Ha agaghị egbu ya egbu nke ha na-eri ha, a na-akpọ ha anụ nsọ. Ụfọdụ n'ime ha gụnyere eke, mbe, enwe, ebule, ewi na agụ iyi. Ha kwenyere na ihe nsọ ndị a metụtara ndụ ha n'ụzọ pụrụ iche dị ka ebe ha si bịa ụwa maọbụ nke zọpụtara ha n'aka ndị iro mgbe gboo. Ọ bụrụ na mmadụ akpachaghị anya gbuo ha, a kwaa ha ka e si akwa mmadụ, ọ bụrụkwanụ na mmadụ kpachara anya gbuo ha, ọ kpụọ arụ so ya. Iji maa atụ; ụfọdụ obodo weere eke dị ka anụ nsọ nke mmadụ agaghị eri eri maọbụ gbuo ya. Ha na-asọ eke asọ na mpaghara Idemmili dị n'Anambra Steet. Ọmụmaatụ n'abụ "*Ofufe*", nke dị n'akwụkwọ abụ *Ọ Natara Chi.* Na nkebiabụ nke anọ, site n'ahịrịabụ nke isii ruo n'ahịrịabụ nke iri.

**Ofufe**
N'idemili ha anaghị egbu eke
Eke na-aga ka eze ebe nille
Amaghị ụma gbuo ya, a kwaa ya
A kpachara anya gbuo ya
A kpụọ arụ so ya :45

**b). Nwa Si n'Aka Chi Abịa:** Ndị Igbo kwenyere na nwa bụ n'aka Chineke ka o si abịa. Ha na-ezipụta nkwenye a site n'aha ha na-agụ ụmụ ha dị ka, Chinenye, Chikelu, Belụchi, Onyedịkachi. Onye amụtaghị nwa na-akpọku Chineke mgbe niile, na-ebesara ya akwa ka o nye ya nwa. Nwaanyị di ime na-akpọkụkwa Chineke ka o nyere ya aka ka o wee mụọ nwa n'udo. Ọmụmatụ dị n'abụ "*Ofufe*", nke dị n'akwụkwọ abụ *Ọ Natara Chi.* Na nkebiabụ nke abụọ, site n'ahịrịabụ nke mbụ ruo n'ahịrịabụ nke atọ.

**Ofufe**
Ha na-efe chi ha
Ka o nye ha nwa
Ka nwunye ha mụọ nwa n'udo :45

**1.6 Itule Abụ "*N'Agbụrụ Nna M Ha*"**

**N'Agbụrụ Nna M Ha**
Ọzụzụ nwata dị ha oke mkpa
A mụta nwoke
A mụta nwaanyị
Ezi ọzụzụ na-echere ha
Na-agba ezi mbọ ịzụ ha nke ọma

N'ihi na(sic) nne na nna
Nwere ezigbo nwa
Na-enwe nnukwu ugwu
Site n'ọmụgwọ ruo agadi
O nweghị mgbe a na-asị
Na-azụchaala
Onye nne na nna ya dị ndụ

A na-enweriri nkuzi
Iji kọwaa nsọ ala dị iche iche(sic)
Nkuzi na nwaanyi anaghị arị elu
Nwaanyị ga-egbu ikpere n'ala
Ma ọ chọọ ịṅụ mmanya
Nke a zuru ala Igbo ọnụ
Na ihe ọjọọ nke ajọ omume
Na-ewetara onye ọjọọ
Site na otu a
Ụmụaka na-achọsi ike
Ka ha mee omume kwesịrịnụ

Ụmụaka ndị toliterenụ
Na-akụziri ibe ha
Ịza ụlọ na iku nwa
Nne na-akụzi, ikele ekele ụtụtụ
Ibi na udo ka ụmụaka
Na-amụtakarị
Site n'aka nne na nna ha
N'agbụrụ nna m ha
Onye ọbụla nwere ike zie nwata ozi
Omume a mere
Ka ụmụ agbọghọ anyị lụọ di ọsọọsọ
Mekwaa ka ụmụnwoke anyị nwe ugwu
Ma nwoke
Ma nwaanyị
Bụ ejiamaatụ ezi ihe

Ifeka Ogochukwu
Ọ Natara Chi: 47

**2.0 Omenaala Ndị Igbo Pụtara Ihe n'Abụ "*N'Agbụrụ Nna M Ha*"**

**a). Ọmụgwọ:** Ọmụgwọ bụ oge nne, nwa ya na nwa nwa ọhụrụ ya na-eji enwe ezigbo mmekọrịta. Ọ bụ mgbe nwaanyi muchara nwa ohuu ka o na-abanye n'omugwo. Niihi nke a ka ọtụtụ ndị nne na-eji aga ebe ọbụla nwa ha nọ mụọ nwa, ma n'ụlọ maọbụ na mba ofesi, ịga nọkọọ ihe ruru ọnwa atọ maọbụ karịa. Ọmụmaatụ dị n'abụ "*N'Agbụrụ Nna M Ha*", nke dị n'akwụkwọ abụ Ọ Natara Chi. Na nkebiabụ nke abụọ, site n'ahịrịabụ nke mbụ rụo n'ahịrịabụ nke anọ.

N'ihi na(sic) nne na nna
Nwere ezigbo nwa
Na-enwe nnukwu ugwu

Site n'ọmụgwọ ruo agadi :47

## 2.1 Nkwenye Ndị Igbo Pụtara Ihe "*N'Agbụrụ Nna M Ha*"

**a). Arụ Na Nsọ Ala:** Ndi Igbo na-akpachapụ anya n'obibi ndụ ha iji wee zeere agwa ọjọọ nke bụ arụ maọbụ nsọala. Arụ bụ ụmụ akparamaagwa ọjọọ dị icheiche ọhanaeze na-agbarụrụ ihu ma ọ nwaa anwaa mee n'etiti ha. Agwa ọjọọ ndị a megidere ala na etu Chineke si kee ihe. O megidere iwu na-achịkwa obodo, megidekwa omenaala na nkwenye obodo. Agwa ọjọọ ndị a ka ha kwenyere na-emerụ ala, na-emerụkwa onye maọbụ ndị mere ya. O nwekwara ike ibute ọdachi dị icheiche. Ọzọ, ihe bụ arụ n'otu obodo nwere ike ọbụghị arụ n'obodo ọzọ. Mana o nwere arụ na nsọala zuru Igbo dum ọnụ dị ka arụ 'ibeene' na 'igbu ọchụ. Ọmụmaatụ dị n'abụ "*N'Agbụrụ Nna M Ha*", nke dị n'akwụkwọ abụ *Ọ Natara Chi*. Na nkebiabụ nke atọ, site n'ahịrịabụ nke mbụ rụo n'ahịrịabụ nke iri na otu.

**N'Agbụrụ Nna M Ha**
A na-enwerịrị nkuzi
Iji kọwaa nsọ ala dị iche iche
Nkuzi na nwaanyi anaghị arị elu
Nwaanyị ga-egbu ikpere n'ala
Ma ọ chọọ ịṅụ mmanya
Nke a zuru ala Igbo ọnụ
Na ihe ọjọọ nke ajọ omume
Na-ewetara onye ọjọọ
Site na otu a
Ụmụaka na-achọsi ike
Ka ha mee omume kwesịrịnụ :47

N'abụ a, odeabụ zipụtara nsọ ala dị icheiche dị ka nwaanyị ịrị elu, na nkuzi na nwaanyị ga-egbu ikpere ala ma ọ nara nwoke mmanyị ọ chọrọ ịṅụ. Ọzọ bụ na ihe ọjọọ na-ewetara onye ọjọọ ahụhụ.

**b). Mkpa Nwa Dị:** Ndị Igbo kwenyere na nwa dị oke mkpa n'alụmdi, nke mere na onye amụtaghị nwa, ọ na-ebe. Ọ bụ niihi mkpa nwa dị mere e ji elebara ọzụzụ ya anya nke ọma. Ọ bụghị ịmụta nwa bụ isi, kama ịzụ ya nke ọma. Ha na-azụ ụmụ ha nke ọma niihina, ha kwenyere na onye nwere ezigbo nwa a zụrụ azụ na-enwe nnukwu ugwu. Ọmụmaatụ dị n'abụ "*N'Agbụrụ Nna M Ha*", nke dị n'akwụkwọ abụ *Ọ Natara Chi.* Na nkebiabụ nke mbụ na nke abụọ, site n'ahịrịabụ nke mbụ ruo n'ahịrịabụ iri na abụọ.

**N'Agbụrụ Nna M Ha**
Ọzụzụ nwata dị ha oke mkpa
A mụta nwoke
A mụta nwaanyị
Ezi ọzụzụ na-echere ha
Na-agba ezi mbọ ịzụ ha nke ọma

N'ihi na(sic) nne na nna
Nwere ezigbo nwa
Na-enwe nnukwu ugwu
Site n'ọmụgwọ ruo agadi
O nweghị mgbe a na-asị
Na-azụchaala
Onye nne na nna ya dị ndụ :47

Ọ bụ n'ezinuụlọ ka ndị Igbo na-anọ zụọ ụmụ ha nke ọma, kụzieere ha maka omenaala na nkwenye ndị Igbo, ihe bụ arụ na nsọala, ime ezi ihe na ije ozi. Ọmụmaatụ dị n'abụ "*N'Agbụrụ Nna M Ha*", nke dị n'akwụkwọ abụ *Ọ Natara Chi.* Na nkebiabụ nke atọ site n'ahịrịabụ nke mbụ ruo n'ahịrịabụ nke asaatọ.

**N'Abụrụ Nna M Ha**
A na-enwerịrị nkuzi

Iji kọwaa nsọ ala(sic) dị iche iche
Nkuzi na nwaanyi anaghị arị elu
Nwaanyị ga-egbu ikpere n'ala
Ma ọ chọọ ịṅụ mmanya
Nke a zuru ala Igbo ọnụ
Na ihe ọjọọ nke ajọ omume
Na-ewetara onye ọjọọ :47

**3.0 Itule Abụ "*Ije Di*"**

**Ije Di**
A chọwa nwaanyị nọ n'ọzọ
A kpọlite nke nwere di
Alụmdi bụ uru chere nwaanyi
Ma ọ jọrọ njọ
Ma ọ mara mma
Nke anya pịara na-aga di
Nke ụkwụ jiri na-aga di
Ndị uche ha fọrọ nfụ ọkụ so
Keduzi ihe bụ na ije di abụghị ụtụ

Ije di!
Nwaanyị mụta naanị ụmụnwaanyị
E were ọṅụ nabata ya
Ọ mụta naanị nwoke
Ọ dịka sị gbanwee ụfọdụ ụmụnwaanyị
A sị na nwaanyị amụghị nwa
Di anaghị esogbu ya
Ụmụnna ajụ ase
Ụmụọkpụ na-ahụta ya
Ka ezi ihu ọma
N'ihi na(sic) ọ bịara
Ị nyere dị ya aka

Ije di!
Alụmdi bụ mmanụ aṅụ
Ụtọ ya dị oke egwu
Ahụhụ adịghị na ya ma ncha
Ị hụta uru a, nsogbu adịghị
Elu na ala gbara ute
Naanị alo nwaanyị di mma

Ije dị!
I bụ ọgbọ egwu
Bụrụ ihe nkiri
Bụrụ onye daara ibe ya
Ibe ya a daara ya
Nwaanyị ọbụla ga-ebinwu be di
Onye ju dị ya
A mara na ọ chọghị ihe ọma
N'ihi na(sic) onye tufuru ike ụgụ
Amaghị mgbe ọ jiri tufuo abọ akwụkwọ nri

Ije di!
Ọṅụ dịịrị onye ọbụla
Ma ọ mụtara nwa
Ma ọ mụtaghị

Ma ọ mụrụ sọọsọ nwaanyị
Ma ọ bụ ajadu
Ma di ya anọ ndụ
Ụmụnna nille bụ ndị enyi ya
Ụmụọkpụ anọghị ị nye ya nsogbu
N'ihi na(sic) ọ bịara ije di
Ifeka Ogochukwu
Ọ Natara Chi: 26

### 3.1 Omenaala Ndị Igbo Pụtara Ihe n'Abụ "*Ije Di*"

**a). Alụmdi:** Alụmdi bụ ihe zuru ụwa ọnụ, mana agbụrụ ọbụla nwere usoro ha si alụ nke ha. N'ala Igbo, alụmdi bụ omenaala dị ọkpụ malitere kemgbe agbụrụ a bụ Igbo ji malite. Alụmdi bụ nwoke na nwaanyị ịkwekọrịta na ha ga-ebikọ ọnụ, mụtawa ụmụ, sị etu a wube ezinụụlọ nke ha. Ọmụmaatụ dị n'abụ "*Ije Di*", nke dị n'akwụkwọ abụ Ọ Natara Chi. Na nkebiabụ nke mbụ, site n'ahịrịabụ nke mbụ ruo n'ahịrịabụ nke ise.

A chọwa nwaanyị nọ n'ọzọ
A kpọlite nke nwere di
Alụmdi bụ uru chere nwaanyi
Ma ọ jọrọ njọ
Ma ọ mara mma :26

### 3.2 Nkwenye Ndị Igbo Pụtara Ihe n'Abụ "*Ije Di*"

**a). Ọnọdụ Nwaọkpụ Maọbụ Ụmụada:** Ụmụọkpụ bụ ụmụnwaanyị a mụrụ n'otu obodo, otu ogbe maọbụ n'otu ụmụnna. Ọ bụ ụmụnwaanyị a mụrụ n'obodo lụrụ di na-anọ n'otu ụmụadạ/ụmụọkpụ, ma ha na-alụ di n'obodo ha maọbụ n'obodo ọzọ. N'ala Igbo, a na-akwanyere ha ugwu pụrụ iche. Ha nwekwazịrị ikike na ọnụ n'ebe ọchịchị dị, karịsịa n'ihe gbasara ụmụnwaanyị. Ha na-ahụ na udo dị na be nna ha, be di ha, ma na-edozi esemookwu ọbụla. Ọmụmaatụ dị n'abụ "*Ije Di*", nke dị n'akwụkwọ abụ *Ọ Natara Chi.* Na nkebiabụ nke abụọ, site n'ahịrịabụ nke isii ruo n'ahịrịabụ nke iri na abụọ.

**Ije Di**
A sị na nwaanyị amụghị nwa
Di anaghị esogbu ya
Ụmụnna ajụ ase
Ụmụọkpụ na-ahụta ya
Ka ezi ihu ọma
N'ihi na(sic) ọ bịara
Ị nyere dị ya aka :27

N'ebe a, a na-ezipụta abụ a dị ka abụ ikpe na ụmụọkpụ anaghị anabata nwunye nwanne ha amụtaghị nwa, ha na-ahụta ya dị ka ihu ọjọọ kpọrọ ezinụụlọ ha.

**b). Mkpa Ọmụmụ Maọbụ Ịmụta Nwa Dị:** Ndi Igbo ejighi ọmụmụ maọbụ ịmụta nwa egwu egwu niihina, ọ bụ ya bụ isi sekpụ ntị n'alụmdi. Ọ bụ maka ịmụta ọtụtụ ụmụ ka nwoke ji alụ ọtụtụ nwaanyị mgbe ụfọdụ. Ọmụmaatụ dị n'abụ "*Ije Di*", nke dị n'akwụkwọ abụ *Ọ Natara Chi.* Na nkebiabụ nke abụọ, site n'ahịrịabụ nke mbụ ruo n'ahịrịabụ iri ha abụọ.

**Ije Di**
Nwaanyị mụta naanị ụmụnwaanyị
E were ọ́nụ nabata ya
Ọ mụta naanị nwoke
Ọ dịka sị gbanwee ụfọdụ ụmụnwaanyị
A sị na nwaanyị amụghị nwa
Di anaghị esogbu ya
Ụmụnna ajụ ase
Ụmụọkpụ na-ahụta ya

Ka ezi ihu ọma
N’ihi(sic) na ọ bịara
Ị nyere dị ya aka :26

N’ebe a, odeabụ ji ekwuọzọ echeọzọ wee chọọ abụ a mma dị egwu n’ụdị ikpe ọ na-ekpecha ụmụnna, ụmụọkpụ na di nwaanyị ma na-ezipụtakwa mkpa ọ dị nwaanyị nọ na di ịmụta nwa n’ala Igbo.

## 4.0 Nchịkọta:

Ka ndị nchọcha tulechara abụ ndị a họọrọ, ha chọpụtara na abụ niile e jiri mee nchọcha a zipụtara omenaala na nkwenye ndị Igbo dị icheiche n’ozuzu oke. A chọpụtakwara na ọ bụ naanị igbo izugbe ka odeabụ ji dee abụ ya, nke mere ka abụ ndị ahụ dị mfe na nghọta

Isiokwu abụ ndị a họọrọ gbadoro ụkwụ n’ihe na-eme na ndụ n’oge ugbu a. Niihina abụ adịghị ka agụmagụ akụkọ maọbụ ejije nke bụ dere gawa, ọtụtụ mmadụ amaghị na omenaala na nkwenye ndị Igbo na-agba elu n’abụ. Abụ ndị a họọrọ zipụtara omenaala na nkwenye ndị Igbo dị icheiche ma gosikwa na e ji abụ echekwaba omenaala na nkwenye obodo maọbị agbụrụ nwe ya. A na-esikwa n’ụzọ dị etu a mata omenaala obodo maọbụ agbụrụ ọzọ na ihe ndị ha na-asọ.

## 4.1 Mmechi:

Abụ abụghị naanị ukwe a na-ekwe n’ụlọụka maọbụ n’ụlọakwụkwọ, abụ bụ ihe odide maọbụ ihe ọgụgụ si n’uche mmadụ pụta nke na-emetụta onye nụrụ ya maọbụ onye gụrụ ya na mmụọ. Nchọcha a ga-eme ka nkuzi abụ dị mfe mgbe ọ ga-edo ụmụakwụkwọ na ndị nkuzi anya na omenaala na nkwenye ndị Igbo na-agba elu ma e nyochaa abụ nke ọma ya na etu omenaala na nkwenye ndị Igbo si apụta ihe n’agụmagụ e dere n’Igbo. Ọhanaeze ga-esikwa na ya mata na abụ dedreede Igbo abụghị edemede dere gawa, kama na abụ edereede Igbo na-akụzikwa ọdịnaala, omenaala na nkwenye ndị Igbo n’uju.

## Esensibịa:


Anozie, C. C. (2007). *Uche bụ akpa*. Varsity Publishing Coy Ltd.

Ifeka, O. R. (2009). *Mkpanaka Asụsụ Igbo Izugbe Maka Amụmamụ Asụsụ na Mahadum*. Top Shelves.

Ifeka, O. R. (2009). *Ọ Natara Chi*. Format Publishers (NIG) LTD.

Ifeka, O. R. (2019). *Abụ Ikpe: Itule Abụ Ikpe Ụfọdụ Dị n’Uche Bụ Afa*. Research Gate.https://www.researchgate.net.

Ikedimma, C. E. (2011). *Fịlọsọfị na Ekpemekpe Ọdịnaala Ndị Igbo*. Perfect Image.

Joseph, W. (2016). *Why Poetry is Important*. QUORA. https://www.quora.com.

Kennedy, X. J. (1987). *Literature: An Introduction to Fiction, Poetry and Drama*. Little Brown.

Maduakor, O. (1991). *Introduction to Poetry*. Fulladu Pub. Company.

Maria, A. (2011). *The Importance of Poetry*. FAMBI Books.

Nebolisa, O., na Onwubie B. (2018). *Abụ Igbo na Mmepe Ala Naijirịa: Nnyocha Abụ Akọ Na Uche Nke Echebina Dere*. Igbo Scholars Forum. https://www.igboscholarsforum.com.ng.

Nwadike, I. U. (2003). *Agụmagụ Ọdịnaala Igbo (Igbo oral literature)*. Rex Charles & Patrick.

Ogbalu, U. J. (nd). *Abụ Ọdịnaala Ndị Igbo Na-Ezipụta Ọnọdụ Ha Dị Iche Iche*. Uchac.

Ugonna, N. (1980). *Abụ na Egwuregwu Ọdịnaala Igbo*. Longman.

Poetry. (n.d). Types of Poetry. Wikipedia. hhttp://www.en.wikipedia.org/wikipoetry.